## Omume Nkwupụta Okwu N'Ụlọ

Ị rụọla nnukwu ọrụ dị otú a ime ihe omume ma mekwaa ka okwu gị ka mma! Agbanyeghị na ịnweghị ike ịga leta Ọgwụgwọ Nkwupụta Okwu gị ugbu a, anyị chọrọ inyere gị aka na ụfọdụ ihe egwuregwu site na www.leadersproject.org ya mere ị ga - aga n'ihu ịmụtazi ikwu okwu gị n'ụlọ! Na-echetakwa mgbe ni'ile ịkpọ onye Ọgwụgwọ Nkwupụta Okwu gị na / ma ọ bụ jụọ onye na-elekọta gị ka ọ nyere aka duzie gị ka ị na-eme ihe omume ndị a.

### Bọọdụ Egweregwu gasị *Enwere ike ịchọta vidiyo iji kọwaa ihe ndị na-esonụ ebe a.*

Melite:

1. Ị ga-achọ dais (Enwere ike ịchọta ntụziaka esi emepụta ya n'ụlọ ebe a!) na kwa ihe ngosi maka igafere na bọọdụ. Ihe ngosi nwere ike ịbụ oke nkume, mkpụrụ ego, ma ọ bụ agwa.
2. Chọọ egwuregwu bọọdụ dabara na ụdị ụda ị na - eme.
    a. Ọ bụrụ n'inwere igwe mbipụta, ị nwere ike bipụta ya, tinye agba ma chọọ ya mma, ma kpọọ.
    b. Ọ bụrụ n'inweghị igwe nbipụta, ị nwere ike lee foto ịntanetị ma ise ya n'onwe gị. Jide n'aka na ị tinyere ya agba ma chọọ ya mma.
    c. Ị nwere ike ị mụta mkpụrụokwu ndị a ka ị na-ese / ma ọ bụ etinye agba!
3. Chọta "onye inyeaka" nke ga-eduzi gị n'okwu na ụda.

Gwuo!

- Mgbe ị dị njikere igwu egwu, tụgharịa daịsị Ka ị na-echighari ihe ngosi gị n'elu bọọdụ, kwughachi okwu ọ bụla. Jide n'aka na onye na-enyere gị aka na-arụ ọrụ gị na ya iji kwuo′ okwu ọ bụla n'ụzọ ziri ezi.
- Ogologo oge ole ka ọ na-ewe gị ka ị rụchaa bọọdụ ahụ?

### Akwụkwọ Akụkọ gasị *Enwere ike ịchọta vidiyo iji kọwaa ihe ndị na-esonụ na ebe a.*

Melite:

1. Kedu ụda ị na-arụ ọrụ na ya? Jụọ onye Ọgwụgwọ Nkwupụta Okwu gị ma ọ bụ onye na-elekọta gị ma ọ bụrụ na ọ dighị gị anya.
2. Chọta akụkọ dabara na ụda a.
    a. Ọ bụrụ n'inwere igwe mbipụta, ị nwere ike bipụta ya, tinye agba ma chọọ ya mma, ma kpọọ.
    b. Ọ bụrụ n'inweghị igwe mbipụta, ị nwere ike lee foto ịntanetị ma gbalịa ise peeji akwụkwọ ọbụla n'onwe gị. Ọ dị mma ma ọ bụrụ na ọ bụghị otu ihe ahụ, jiri echiche gị ma ọ ga-amakwa mma! Jide n'aka na ị tinyere ya agba ma chọọ ya mma.

c. Mee okwu nke peeji akwụkwọ ahụ mgbe ị na-ese na/ma ọ bụ tinye agba.

Gwuo!

1. Chọta “onye inyeaka” nke ga - enyere gị aka ịgụ akwụkwọ ọhụrụ gị ma mee ụda ahụ.
2. Gbalịa gosipụta akwụkwọ ahụ mgbe ị na-agụ ya!